# MMALITE IKPÉ NIILE NKE DAKWASỊRỊ IJIPT

## Ọpupu 7:14-25; 8:1-19

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 53 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ bu ihe di egwu idabà n'aka Chineke di ndu" (Ndi Hibru 10:31).**

**Israel dara Mbà**

Mgbe Moses na Eron rịọrọ Fero ka o kwe ka ndị Israel jee n'ọzara ijè nke ụbọchị atọ ịchụrụ Chineke àjà, Fero jụrụ arịrịọ ha wee mee ka ha lụsịe ọlụ ike karịa ka ha lụworo na mbụ. Ọ pụrụ ịbụ na o wutere ndị Israel na ha rịọrọ ka arapụ ha, n'ihi na ha hụrụ ahụhụ karịa ka ha hụworo n'oge garaaga. Ha gaajụworị ajụjụ sị, ọ bụrụ na Chineke gaje ịnapụta ha, gịnị mere na O meghị ya n'otù mgbe ahụ. Ọ bụrụ na Chineke pụrụ ime ihe niile, gịnị mere O meghị ka Fero kwere izipụ ndị ahụ? Maọbụ ọ bụrụ na Fero naanọgide n'isiike ya, gịnị mere O sighị n'ocheeze wepụ ya, wee si otú a mebie ike ya?

Ma Chineke agwawo Moses na ya gaje ime ihe dị ukwuu nke karịrị náánị ịrapụ Ụmụ Israel ka ha laa. Ndị Ijipt gaje ịmata banyere ebube nke ezi Chineke ahụ mgbe Ọ gaemesosiworị ha mmeso Ya niile. Ndị Israel gaje kwa ịnata ngọzi dị ukwuu karịa ma ọ bụrụ na ha echere oge Chineke idupụta ha.

**Enyere Ntachị obi Ụgwọọlụ**

Mgbe ụfọdụ obi anyị naada mbà mgbe anyị naechere mmezu nke mkwà niile nke Chineke ma ịdambà n'obi adịghị atọ Chineke ụtọ. Ọ maara ihe kachasị mma, ọ bụrụ kwa na anyị nwereike ichere mgbe nke Chineke, Ọ gaezokwasị anyị mmiriòzùzò nke ọtụtụ ngọzị. Anyị hụrụ ihe dị otú a ná ndụ Elaija. Mgbe Eze nwanyị ahụ bụ Jezebel naachọ igbu ya n'ihi mbibi o bibiri narị mmadụ anọ na iriise ahụ bụ́ ndị amụma nke Beal, Elaija gbalagara n'ọzara wee gwa Chineke ka O wepụ ndụ ya. O chèrè na ọ bụ náánị ya bụ onye fọdụrụ nime ndị hụrụ Chneke n'anya, ya mere n'ihi gịnị ka ọ gaeji nọgide n'ụwa? Ma Chineke kà kwadobeere ya ọtụtụ ihe dị ukwuu. Nke mbụ, ọ dị ọlụ ọ gaje ịlụ: Chineke zigara ya ité eze ọhụụ gaachị Sirịa mmanụ ya na eze ọzọ gaachị Israel, tinyere onye amụma nke gaewere ọnọdụ ya. Mgbe ihe ndịa gasịrị ewee welie Elaija la n'eluigwe n'ụzọ dị ebube; o ji ụgbọalaọkụ rịgoro n'Eluigwe, ọ dịghị mkpà na ọ ga anwụanwụ. Asị na arapụrụ ya, o wee nwụọ na mgbe ahụ obi ya dara m̀bà ọ gaghịrị enwe ụdị nrịgo mmeri ahụ nke ọ bụ náánị Inọk bụ otù onye ọzọ si otú ahụ laa n'eluigwe. Lee ụdị ngọzị dị ukwuu anyị naanata site n'ichèrè oge Chineke!

**Obi Emere Ka O Sieike n'ihi Ịjụ Chineke**

Chineke nyere Fero ohere niile iji chègharịa site n'ihe mbụ ọ chọrọ ime. Mgbe okwu Jehova naadasi ike ná ntị onye mmehie, otú ahụ ka obi ya naesiike karịa ma ọ bụrụ na ọ jụ ikwenye. "Onye anābara mba ọtutu mgbe ma ọ nēkwesi olu-ya ike, n'otù ntabi-anya ka agētipia ya, ọ digh kwa ngwọta di" (Ilu 29:1). Otú a ka obi Fero nọgidere náesiike karịa mgbe ọ nọgidere n'ịjụ arịrịọ nke ndị Chineke.

**Ọdị da Nke Chi Nail**

Chineke gwara Moses ka ọ gwa Fero banyere iheotiti mbụ nke gaje ịbịakwasị ala ahụ. A gaje ime ka mmiri niile ghọọ ọbara, àzụ̀ niile gaanwụ kwa. Anyị matara na ndị Ijipt naefè Osimiri Nail n'ihi na ọ bụ ya naeme ka alaubi ha náedè mmiri. Okpóróụzọ dị kwa olenaole, ya mere Osimiri Nail ghọrọ ha okpóróụzọ. Enwekwara ụzọ ntà dị icheiche nke esi n'akụkụ osmiri ahụ gwuwapụta. Ebe ndị Ijipt naefèkwa ọtụtụ anụmanụ, azụ̀ ka ha naeri n'ọnọdụ anụ. Ya mere, anyị pụrụ ịghọta ihe mere, mgbe emere ka mmiri ahụ ghọọ ọbara, ázụ̀ niile wee nwụsịa. Nke mbụ, ọ bụ̀ óké iheotiti etiri chi ha bụ́ osimiri ahụ. Chi ha ọ̀ dịghị ike karịa Chineke nke ndị Hibru ahụ bụ̀ orù? Emere ka Osimiri Nail bụ́ chi Ndị Ijipt da n'ala n'ihere mgbe Moses setipụrụ mkpan'aka-ya; mmiri ahụ wee bụrụ ihe ruru unyi nke náadịghị kwa mma iji mee ihe ọ bụla; azụ̀ wee nwụọ, ewe nápụ ndị Ijipt iheoriri dị óké mkpà.

Igwu olulummiri n'akụkụ Osimiri ahụ bụ̀ náánị otù ụzọ esi enweta mmiri dị ọcha. Ndịmgbasị ahụ gbalịsịrịike ime ụdị ihe ịrịbaàmà ahụ Moses na Eron mere, n'ihi na ebe ọgụgụ anyị naagwa anyị na ha onweha mekwara ka mmiri ghọọ ọbara, nke bụ̀ na ọ gaabụworị ụdị mmiri a egwupụtara n'ala ka ha mere ka ọ ghọọ ọbara. Lee otú ọ dị ntà bụ mgbalị ha niile ma eji ya tụnyere ihe ahụ ndị nke Chineke mere! Asị na ha chọrọ igosị ike ha, ha ga ewezugaworị iheotiti ahụ wee mee ka mmiri ahụ dị ọcha ọzọ; ma ha apụghị ime nke a.

Ahụhụ ụmụmmadụ naahụ́ emetụghị Fero n'obi, ewezuga kwara iheotiti ahụ mgbe otù izùukà gasịrị. Iheotiti ọzọ náabịa kwa.

**Awọ̀**

Iheotiti nke abụọ bụ̀ nke awọ̀. Nke a bụ kwa agha dị n'etiti chi niile nke ala ahụ na ezi Chineke, Onye Moses na Eron nọchiri anya Ya. Ndị Ijipt nwere chi nke nwere isi awọ̀, ọ dịghịkwa ihe gaeme ka ha chee échìchè igbu anụmanụ ntakịrị ahụ.

Ma mgbe Chineke zipụrụ awọ̀ n’akụkụ niile nke ala ahụ, ndị Ijipt hụrụ na ihe ịsọoyi ka ọ bụ. Ha apụghị itinye ọkụ n’ebe anaesi nri n’ihi na awọ̀ jupụtara n’ebe anaemenwu ọkụ, ọ bụrụ kwa na ha chọ ime achịcha awọ̀ naejupụta nime ụtụọkà ha ji agwọ achịcha; ụmụ anụmanụ ndịa naajụ oyi naanọkwasị kwa n’elu ihendina ha mgbe ha naachọ ịrarụ ụra. Eleghịanya, mgbe ahụ, ha malitere ịjụ onweha ajụjụ ma awọ̀ ọ̀ bụ chi n’ezie. Chineke ekwuwo sị, “Ndi Ijipt gāmara kwa na Mu onwem bu JEHOVA.” Ndịmgbasị ahụ nwekwara ike imepụta awọ̀, ma ha enweghị ike ibibi iheotiti ahụ.

Ọ dịrị ka iheotiti a gaje ịlụpụta ihe ahụ achọrọ. Fero kpọrọ Moses na Eron wee gwa ha ka ha rịo Jehova ka O wezuga awọ̀ ahụ niile, na ya gaezipụ kwa ndị ahụ. Lee otú obi gaesi dị Moses ụtọ na ha emeriwo n’ọ̀gụ̀ a! Emebiri ọchịchọ Fero, o wee rịọ ebere n’aka Moses -- ma obi umeala ya anọghị ọdụ! Ngwangwa ọ hụrụ na awọ̀ ahụ niile anwụsiwo ewee kpokọta ha n’obo, ọ gbanwere obi ya. Ọtụtụ mmadụ naakpọku Chineke n’ekpere mgbe ha nọ ná nsogbu; ma mgbe ọ bụla ihe gbanwere wee dị mma, ha echefue Chineke. Chineke naarịba ha niile àmà, ebere Ya agaghị kwa adịgide rue ebighịebi: O kwuwo na Ya gaakwa ha emò mgbe óké egwù ha gaabịa.

**Ikpé Ewetara Náebughị Ụzọ Dọọ Akanántị**

Iheotiti ọzọ Chineke zitere bịara náenweghị ịdọakanántị. Chineke naebu ụzọ gwa ụmụmmadụ okwu, dọọ kwa ha akanántị banyere ikpé gaje ịbịa, ma, ọ bụrụ na ha ajụ ịña ntị, oge gaabịa mgbe Ọ gaekwe ka mbibi bịakwasị ha na mberede. Nke a naeme kwa ọtụtụ mgbe n’ụbọchị taa. Otù mgbe, otù onye nọdụrụ n’ebe ụmụ Chineke naefè òfùfè wee nwe mmetụta n’obi na o kwesịrị ka ya nye Chineke obi ya, ma ọ sịrị, “Ọ bụgh n’abalị a,” o wee pụọ n’abalị ahụ. Tupu o rue n’ụlọ, ọ nwụrụ n’ihemberede. Otù ihe ahụ mekwara mgbe otù onye biliri ịza ọkpụkpọokù nke ịga n’ekpere; ma enyi ya dọghachịrị ya àzụ̀ sị ya, “Emela ihe nzuzu.” O wee jụ ọkpụkpọ̀ọkù ahụ; n’abalị ahụ ọ nwụrụ náenweghị Chineke. Mmụọ Chineke agaghị náachị nime ụmụmmadụ mgbe niile.

**Ike Setan nwere Njedebe**

Anwụntà ahụ nke bịakwasịrị ala ahụ dị n’arụ̀ mmadụ na n’arụ anụmanụ niile. O! lee otú ha gaesiworị hụ ahụhụ mgbe ụmụ arụrụ ntakịrị ahụ naarịkwasị n’arụ ha niile!

Ndịmgbasị ahụ nwere ike mee mkpàn’aka ha ka ha ghọọ agwọ mee kwa ka mmiri ghọọ ọbara, wepụta kwa awọ̀ n’elu ala; ma mgbe ha chọrọ ime dịka Moses n’iwepụta anwụntà, ha apụghị ime ya. Ha kwerịtara na ọlụ Moses lụrụ sitere n’aka ezi Chineke, na ha enweghị kwa ike ime otù ihe ahụ. Satan na ndị mmụọozi ya nwereike ime náánị ihe Jehova kwenyere ka ha mee.

Ọ bụ ezie na iheotiti ahụ dakwasịrị ndị Ijipt jọgburu onweya, ma oge naabịa mgbe agaawụkwasị ọbụná nke karịrị nke ahụ ukwuu n’eluụwa. N’akwụkwọ Nkpughe anyị gụtara banyere iheotiti yiri nke ndị Ijipt, ma kama ha gaabịakwasị mmadụ olenaole n’otù mba, agaeme ka ha jọ njọ karịa, ha gaabịakwasị kwa mmadụ niile bụ́ ndị si n’ebe Chineke nọ wezuga onweha. Anyị ganaakpá nso Onyenweanyị mgbe niile, ka ewee gụọ anyị ná ndị kwesịrị ịgbanarị ihe ọjọọ ndịa nke gaje ịbakwasị ụwa n’oge Óké Mkpagbu ahụ.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị bụ iheotiti atọ mbụ ahụ?
2. Gịnị mere eji zite ha?
3. Gịnị mere iheotiti nke Osimiri Nail ahụ ji bụrụ ajọ ihe nke ukwuu?
4. Ndịmgbasị ahụ, hà pụrụ ime ka mmiri ghọọ ọbara, wepụta kwa awọ̀ n’elu ala? Hà pụrụ iwezuga iheotiti ahụ?
5. Gịnị ka ndịmgbasị ahụ kwuru mgbe ha náapụghị iwepụta anwụntà n’eluala?
6. Gịnị bụ ihe adịghịike nke ndịmgbasị ahụ ime dịka Moses mere n’iheotiti nke atọ ahụ kụziri anyị?